# MMADỤ ỊJỤ ONWEYA
## Matiu 8:19-22; 10:37-39; 16:24-27; Luk 14:33;
## Ndi Filipai 3:7, 8; Ndi Rom 15:1-3.
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 469 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma akpọghm ndum ihe, dika ihe oké ọnu-ahia n'ebe mu onwem nọ, ka m'we gbazue ọsọm, jezu kwa ozi nke m'natara n'aka Onye-nwe-ayi Jisus, ikwusi ozi ọma ahu ike, bu nke amara nke Chineke" (Ọlu Ndị -ozi 20:24).**

**I Akụziri Mmadụ Ịjụ Onweya**

1. Ịhụn'anya nke Chineke aghaghị ịdị ukwu karịa ịhụn'anya nke èzínaụlọ anyị, Matiu 8:21, 22; 10:37-39.
2. Anyị aghaghị ịhụ́ Chineke n'anya karịa onweanyị, Matiu 16:24-27.
3. Kraist aghaghị ịbụrụ anyị ihe óké ọnụ karịa ihe mnweta niile nke ụwa, Matiu 19:21; Luk 14:33.

**II Etinyere Mmadụ Ịjụ Onweya N'ọlụ**

1. Jisọs bụ óké ihe átụ̀ nke mmadụ ịjụ onweya, Matiu 8:19, 20; 2 Ndị Kọrint 8:9; Ndị Filipai 2:5-8; Ndi Rom 15:1-3.
2. Abraham rapụrụ ụmụnna ya, ụlọ nna ya, obodo ya, wee jee biri n'ụlọ ikwuu; jụ mkwụghachi nke ụgwọ-ọlụ niile, ma were kwa nwa ya nwoke chụọ àjà n'irubere Chineke isi; Ndi Hibru 11:8-19; Jenesis 12:1-8; 14:21-24; 22:1-19.
3. Moses gụrụ ịta-ụta nke Kraist n'àkụ̀ dị ukwu karịa àkụ̀ niile nke Ijipt, Ndị Hibru 11:24-27.
4. Nwanyị di ya nwụrụ tụbara ihe niile o nwere n'ebe á na-edebe ụtụ, Luk 21:4.
5. Ndịozi ahụ rapụrụ ihe niile iso Jisọs, Matiu 4:18-22; 9:9; 19:27-30.
6. Pọl gụrụ ihe niile n'ihe iyi n'ihi Kraist, Ndị Filipai 3:8.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Mmadụ Ịjụ Onweya**

"Mgbe ahụ Jisọs sịrị ndị nēso uzọ-Ya, ọ buru na onye ọ bula achọ ka o som n'azu, ya ju onwe-ya buli kwa obe-ya, nēsokwam" (Matiu 16:24). Mmadụ ịjụ onweya bụ isi ihe niile nke Oziọma nke Jisọs Kraist. Onye ná-enweghị mkwenye ịgbakụta ihe niile azụ apụghị ịbụ onye na-eso ụzọ Jisọs "Onye ọ bula nime unu nke nāgbakutagh ihe nile o nwere azú, ọ pugh ibu onye nēso uzọm" (Luk 14:33). Mmadụ ịjụ onweya, n'ezie, aghaghị ịbụ ihe á ga-etinye n'ọlụ ná-abụghị ihe dịrị nááný ndị minista na ndị mkwusa njéghari, kama nye onye ọ bụla nke ná-achọ ime Eluigwe ka ọ bụrụ ebe obibi ya. Mmadụ ịjụ onweya karịrị nááný ịrapụ mmehie na ihe ụtọ niile nke mmehie. Ọ gafekwara inwe mkwenye ịchụàjà dị iche iche n'ihi Onyenweanyị na ọlụ Ya.

**Ịdọ Aka-ná-ntị Dị iche iche**

Jisọs dọrọ aka ná ntị sị, "N'ezenu onwe-unu ka aghara iwere imebiga ajọ-ihe-ókè na iñubiga-manya-ókè na nchègbu nke ndu a, bogbu obi-unu ma elegh anya, ụbọchi ahu we biakwasi unu na mberede dika ọnya." Akọwara imebiga ajọ ihe ókè dịka "mmebiga-ókè nke ọchịchọ onwe onye dịka n'ihe oriri ma ọbụ n'ihe-ọñuñu." Dịka obi nke anụarụ bụ ihe á na-etinye n'ihe egwù site n'abụ̀ba nke sitere n'iribiga nri ókè, otú a ka ndụ nke ime mmụọ nke Onye Kraist na-abụ ihe á na-etinye n'ihe egwu site n'imebiga ọchịchọ nke onwe onye ókè. Otù nime ihe egwù dị ukwu nke Onye Kraist ná-aghaghị ịgbá mgbá megide bụ óké ọchịchọ n'ihe niile nke ndụ a. Ọ bụ ihe dị mfé na mmadụ pụrụ iwepụ onweya n'ihe ụtọ nke mmehie ma daba kwa n'ibogbu onweya nime "nchègbu nke ndu a" Ọ bụrụ na oge, ego na ọchịchọ niile ka ejikọrọ ka ewee chikọta iheọma niile nke eji ebi ndụ, ihe niile nke emepụtara ọhụụ; ọ bụrụ na ewere obi niile tụkwasị n'ihe ndịa, Obe ahụ na-abụ ihe agbakụtaworo àzụ́. "Unu ahula uwa ma-ọbu ihe nke di n'uwa n'anya. Ọ buru na onye ọ bula ahụ uwa n'anya ihu-n'anya nke nna-ayi adigh nime ya" (1 Jọn 2:15).

Ọ bụrụ na Chineke na-eji ọtụtụ ihe ọma dị iche iche ná-agọzi ndụ anyị ka anyị lezie anya, ka anyị ghara ịdị ka Jeshurun onye mara àbụ̀bà wee gbaa ụkwụ (Deuteronomi 32:15). N'ụbọchị taa n'ala anyị Nijiria, anyị ná-ahụ́ ndịkom ná-ewere mgwá egwuriegwu ha, na-eji Ụbọchị Onyenweanyị nke ha na-agba ụgbọ mmiri ha n'osimiri, ná-agba ọsọ gaa n'elu ugwú ma ọ bụ n'ọnụ mmiri, ná-ewere Ụbọchị Onyenweanyị iji mejupụta ọchịchọ dị iche iche nke anụarụ ha. Nke a ọ̀ bụ mmadụ ịjụ Onweya?

Ihe ụfọdụ nke ziri ezi n'iwu abụghị ihe bara urù. N'ụzọ ọzọ ọ bụrụ na ihe ọ bụla ewepụ anyị pụọ n'oge ekpere anyị, Okwu ahụ, ma ọ bụ n'ijéozi anyị nye Chineke, ọ bụghị ihe dị mma nye anyị. Ọ bụrụ na anyị gaje iso Kraist ọ dị mkpà ka anyị tụkwasị uche anyị "n'ihe di n'elu, ọ bugh n'ihe di n'elu uwa" (Ndi Kọlọsi 3:2).

**Uche nke Kraist**

"Nwenu uche a nime onweunu, nke di kwa nime Kraist Jisus: Onye, ọ bu ezie na ọ diri n'udi nke Chineke na mbu, ma Ọ gugh ya n'ihe ọ gējidesi ike, bu ira ka Chineke, kama ọ mere Onwe-ya ihe-efu, n'ịnara udi nke orù, ewe me Ya n'oyiyi nke mmadụ; ebe ahuru Ya ka ọ di ka madu n'oyiyi-Ya, o weda-kwa-ra Onwe-ya, we buru onye nāña nti rue ọnwu, bu ọnwu nke obe" (Ndi Filipai 2:5-8). O nwere ike ịchị dịka eze, ma ọ naara n'Onweya ụdị nke orù, Ọ bụ Ya kèrè ihe niile, ma ọ dịghị ebe obibi O wuru nye Onweya. Ọ pụrụ ịkpọworị ihe karịrị legion ndị mmụọ ozi iri na abụọ, ma o kpeghị ọnụ Ya. "Nkita-ọhia nwere ọnu ha nēdina, anu-ufe nke elu-igwe nwe-kwa-ra ebe ha nāraru ura; ma Nwa nke madu enwegh ebe itọgbọ isi-Ya" (Luk 9:58). Lee ụdị ihe nlere anya nke mmadụ ịjụ onweya nke Onyenweanyị guzobere!

Jisọs, Onweya, "n'ihi ọñụ edebere n'iru Ya nātachi obi n'obe-Ya" (Ndị Hibru 12:2). Onye ahụ bụ "onye-Ndu na onye-nmezu nke okwukwe ayi" ñụrịrị ọñụ ime uche Nna ya na ịlụzu ọlụ ahụ nke Chineke nyeworo Ya ịlụ. Ndị ahụ ná-eso ụzọ Ya bụ́ ndị ekpughewooro urù niile ná-adị ebighị ebi, ná-achọta kwa ọñụ n'irube isi nye àtụmàtụ Ya. Nwata emebiri emebi site n'inye ya ihe niile ọ chọrọ na-enwe ike ọgwụgwụ ngwa ngwa n'ebe ihe niile dị, ma onye nke ná-achụ ọtụtụ àjà n'ihi Oziọma na-enwe ọñụ nke ọ ná-adịghị ịba ụba nke àkụ̀ nke ụwa á ga eji tụnyere ya. Jisọs sịrị, "Ọ bugh n'ihe o nwebigara ókè ka ndu madu di, o sigh n'ihe o nwere puta" (Luk 12:15). Ndụ na-enwetazu nzube ya kachasị elu site n'irube isi nye àtụ̀màtụ̀ nke Onyenweanyị.

**Ndị ozi ahụ**

Ọ bụghị ịdị ebube nke ụgwọ ọlụ nke ụwa bụ ihe mere Pita, Andru, Jemes na Jọn ji rapụ ọlụ aka nke eji mara èzínaụlọ ha nke ọtụtụ ọgbọ, rapụ ụgbọ mmiri ha na ihe ndị ha ji egbu azụ̀, jụ èzínaụlọ ha na ndị enyi ha wee za òkù ahụ, "Bianu som n'azu, M'gēme unu ndị-ọku nākuta madu" (Matiu 4:19). Jisọs arịọsịghị ndị ná-eso ụzọ Ya ike ka ha soro Ya site n'ikwe mkwà inye èzínaụlọ ọ bụla ụgbọ ala abụọ, ịlụ ọlụ dị ntà n'izu ma rie ụgwọ ọlụ na ọtụtụ urù ọlụ dị iche iche nke á ga-atụkwasị; kama nke a Ọ kpọrọ ha ka ha jụ́ onweha ma bunye kwa ha obe.

**Abraham**

Ọkpụkpọ òkù nke Chineke nye Abraham bụ nke chọrọ ịjụ onwe onye na ịchụàjà. Ọ bụ ọkpụkpọ òkù ka ọ rapụ èzínaụlọ ya na ụmụnna ya wee jee n'ebe dị anya, nke ná-abụghị ala nke aka ya. Ọ dịghị ụgbọ elu nke á na-enye nri nime ya nke dị kwa; ịga njèm bụ ihe dị ike ma jupụta kwa n'ihe ize-ndụ dị iche iche. Abraham biri nime afọ ójújú n'ala Ua nke Kaldea, ma ọ ñara ntị n'olu nke Chineke wee ná-ebi n'ụlọ ikwuu ya na èzínaụlọ ya n'ihi na "Ọ nēle anya obodo ahu nke nwere ntọ-ala ahu, nke Chineke bu onye-ọka-ya na onye luru ya" (Ndi Hibru 11:10).

**Moses**

Moses bụ onye azụlitere n'obieze nke Fero, ma "Mgbe Moses toruru madụ, ọ bu okwukwe ka o ji ju ka akpọ ya nwa-nwoke nke nwa-nwayi Fero, n'ihi na ọ rọrọ ka emejọkọ ya na ndị nke Chineke, kama inwe ihe-utọ nke mmehie na nwa oge" (Ndi Hibru 11:24, 25). Ịjụ onweya nke ọ rọọrọ wepụrụ ya site ná ndụ nke inwezu ihe niile ná-enye afọ ójújú nke dị n'obíeze wee baa n'ịwagharị n'ọzara iri arọ asatọ (80 years); ma "ọ nọgidesiri ike, dịka ọ nāhu Onye ahụ nke anāpughi ihu Ya anya."

**Pọl**

Pọl Onyeozi nwezuru ihe niile ọ chọrọ. Ọ bụ onye mụrụ akwụkwọ nkeọma ná-enwe kwa ùgwu ma bụrụ kwa onye amaara nkeọma dịka onye ndú nke ụmụ mmadụ. Na mberede ìhè si n'Eluigwe gburu ya àmụ̀mà gburugburu, o wee nụ olu nke Onye Nazaret ahụ á na-esogbu. Agbanwere ndụ ya ngwa ngwa ruo na nke ịjụ onweya na iji onweya chụọ àjà. O wee sị: "Ihe ọ bula nke baram urù, ihe ndia ka m guru n'ihe-iyi n'ihi Kraist-ayi. E, tukwasị kwa, anamagu kwa ihe nile n'ihe-iyi n'ihi ọkika nke ọmuma Kraist Jisọs, bu Onye-nwem: Onye m'yiri iyi ihe nile nkem n'ihi ya, amamagu kwa ha n'ihe mkpofu, ka m'we rita Kraist n'uru" (Ndi Filipai 3:7, 8).

Pọl nwere nzube; o nwere ụgwọ ọlụ nke ọ na-achọ inweta. Ọ dịghị ọnụahịa ọ bụla nke ụwa nke dịkarịrị ukwu ịkwụ; ọ dịghị kwanu nsogbu dịkarịrị ukwu ịnagide. Ọ na-anya isi nime adịghị ike ya niile ma gụọ kwa ahụhụ ya niile n'ihe urù n'ihi mmetụta nke ha nwere n'ebe obe nke Kraist dị. O doro ya anya na edebeworo ya

okpueze, o wee ná-agbà mmadụ niile ume ka ha “ghọnu ndi nēñomim, dika mu onwem bu kwa onye nēñomi Kraist” (1 Ndi Kọrint 11:1).

**Ọhụ̀ Gị**

Ị̀ hụwo ọhụ̀ banyere ịjụ onwe onye na Alaeze nke á ga-enweta? ma ọ bụ ịnọdụwo n’afọ ojuju inwe obiụtọ n’ihe ụtọ niile nke ndụ a na nwa oge? Okpueze ná-echere ndị ahụ niile ga-ebuli obe ha. Ị̀ ga-ebuli ya?

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị bụ obe?
2. Gịnị bụ ịjụ onwe onye?
3. N’ụzọ dị añaa ka Abraham jụrụ onweya?
4. Gịnị ka Moses rapụrụ iji ghọọ onye ná-eso Chineke?
5. Gịnị ka Akwụkwọ Nsọ ná-agwa anyị banyere uche Kraist?
6. Gịnị bụ ihe ụfọdụ ndị ahụ nke Ndịozi ahụ rapụrụ wee soro Kraist?
7. Gịnị ka Pọl hụrụ ahụhụ ya n’ihi Kraist?
8. Gịnị bụ ịdọ aka-ná-ntị adọrọ anyị banyere óké ọchịchọ?
9. Gịnị bụ ụgwọ ọlụ dị iche iche nke á na-enye ndị ahụ nke rapụrụ ihe niile wee soro Jisọs?
10. Gịnị ka ị pụrụ ime ka ị wee bụrụ ezi onye agha nke obe?